# ỊSỌ RESỊRỊ JEKỌB ỌNỌDỤ DIỌKPARA YA
## Jenesis 25:27-43; 27:1-40
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 22 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ebe nile ọ bula ka anya abua nke JEHOVA di, Nēche ndi ọjọ na ndi bu ezi madu nche" (Ilu 15:3).**

Abraham ebiwo ndụ nwa ogologo oge na Heran. Ma n'ikpeazụ, mgbe ọ chọrọ ịlụtara Aisak, bụ nwa ya nwoke nwunye, o zighachiri orù ya ịga n'agbụrụ ya ịlụtara ya nwunye ahụ. Orù ahụ rịọọrọ Onyenweanyị ka o duzie ya ịlụta ezi nwaagbọghọ. Rebeka wee mezue ihe niile achọrọ. O jikeere iso jerue ala ahụ ebe Abraham na Aisak biri; o wee ghọrọ Aisak nwunye.

**Iwere Nwayọ Dị Nsọ**

Aisak na Rebeka nwere ndịkom abụọ amụrụ ejima, ma ha eyighị onwe ha maọlị. Ịsọ, onye bụ ọkpara, hụrụ ịchụ ntá n'anya wee tinye oge ya niile n'ịchụ ntá, ebe Jekọb rọọrọ ịnọdụ n'ụlọ wee náalụọlụ ubi. Otù ụbọchị mgbe Ịsọ si n'ịchụntá lata ike gwụsịrị ya agụụ na agụsi kwa ya ike. O wee chee na agụụ ga agụgbu ya ma ọ bụrụ na o righị ihe mgbe ahụ, ya mere ọ rịọrọ Jekọb ụfọdụ nime nri ya. Nke ahụ bụ aghụghọ nke onyeiro nke mkpụrụobi anyị; ọ gaagwa mmadụ na aghaghị ime ihe n'óké ọsọsọ na oge agaghị adị kwa ijụ Chineke ase ma ọ bụ ihe ziriezi, ma ọbụghị. Jisọs chọrọ ka anyị were nwayọ chéré mgbe nke Chineke ka anyị mata kwa n'ezie na ihe anyị naeme bụ dịka uche Ya si dị. Ịsọ agaghị anwụworị n'otù anya elekere ahụ ma asị na o chere rue mgbe ọ ga edozi ihe oriri nke ya.

**Mkwekọrị ta Nke Dị Óké Ọnụahị a**

N'oge nke ndị nna mgbe ochie nwa nwoke nke kachasị okenye n'èzínaụlọ ọ bụla na enweta okpukpu abụọ n'ihe onwunwe nke nna ya. Anaakpọ nke ahụ ọnọdụ diọkpara. Ọtụtụ ngọzi ọzọ na ọlụ dị icheiche naeso ọnọdụ diọkpara, ma onye ahụ nke kachasị okenye naabụ onye náachị èzínaụlọ mgbe nna ya nwụsịrị.

Jekọb ghọtara mkpà ọnọdụ diọkpara dị, o wee hụ́ ohere ya inweta ya nye onweya. O wee kwe mkwà inye Ịsọ ụfọdụ nime nri ya ma ọ bụrụ na ọ gaañụ iyi inye ya ọnọdụ diọkpara ya. Ịsọ wee gụọ ndụ ya n'oge ahụ n'ihe dịkarịsịrị mkpà karịa ngọzi na ọlụ ọ gaenwe n'ọdịn'iru; Okwu ahụ wee sị, "Ịsọ we leda ọnọdu-ọkpara ya anya."

I nwere ike iche na nke ahụ bụ ihe dị egwù ime, na ị pụgh ịdị nzuzu n'ụzọ dị otú a. Ma kwụsị, ché kwa échìchè nwa oge ntà. Anyị onweanyị nwekwara ọnọdụ diọkpara. Jisọs nwụrụ inye anyị ike ịba na ndụ ebighịebi. Site n'Ọbara nke Ọ wụsara, anyị nwere ike ịbụ ndị amụbatara n'èzínaụlọ nke Chineke ma ọ bụrụ na anyị chọrọ. Ọ̀ bụ nde mmadụ ole na eleda ọnọdụ diọkpara ahụ anya ma náajụ kwa ka azọpụta ha n'ihi mmehie ntà dị ná ndụ ha nke ha náachọghị ịrapụ. Ụfọdụ ụmụagbọghọ na ndịnyom naagụ ịchọ mma nke ụwa n'ihe dị mkpà karịa ọnọdụ diọkpara ha. Eleghịanya edozighị ụzọ dị ntakịrị ga egbochi onyeọzọ inweta ọnọdụ diọkpara ya. Ihe ndịa ha dị mkpà karịa ihe oriri nke Ịsọ?

Ọ dịghị iheọzọ ekwuru banyere ọnọdụ diọkpara nke Jekọb rue arọ olenaole.

**Nzuzu Nke Jekọb**

Mgbe Aisak chèrè na oge ọnwụ ya naabịaru nso, o wee kpọ Ịsọ ka o nye ya ngọzi nke mbụ. Ọ gwara ya ka ọ pụọ n'ọhia chụta anụ ọhịa iji doziere ya nri ụtọ; ka mgbe o risịrị afọ wee ju ya ka ọ gọzie kwa Ịsọ. Rebeka wee nụ iwu ahụ, ebe ọ chọrọ ka enye nwa nke ọ hụrụ n'anya ngọzi ahụ, ọ rugidere Jekọb ka ọ duhie nna ya. O mezuru nke a, ma ọ hụgidere ahụhụ rue ụbọchị ọ nwụrụ, n'ihi aghụghọ ya.

Chineke ekwewo mkwà na Jekọb na Ịsọ gaabụ ndị ndú nke mba dị icheiche, na nke okenye gaefe kwa nke ntà. Chineke naemezu uche Ya, ọ dịghị achọ inye aka nke ihe O kèrè ékè ka o wee mee ya. Ma eleghịanya Jekọb gaenwetaworị ihe nketa ya n'oge ná adịghịanya karịa, ma asị na o chere ka Chineke lụpụta àtụ̀mààtụ̀ Ya. Otú ọ dị, ọ hụrụ ahụhụ ọtụtụ arọ dịka onye ekewapụrụ site n'ụlọ tutu o rue ebe Chineke pụrụ iji ya mee ihe.

Eleghịanya enwere ihe yiri ụdị Pita nime Jekọb. Ọ chọrọ ime ihe Chineke na achọ, ma ọ chọghị ichere oge nke Chineke. Tutu ụbọchị Pentikọst, Pita bụ́ onye ikpé mara nke ime ihe ngwangwa tutu o chee échìchè, nke mere Jisọs jiri bara ya mbá. Ma mgbe ike nke Mmụọ Nsọ dakwasịrị ya, ọ ghọrọ onye ndú nke nzukọ Kraist, wee debezue mkwà niile nke o kwere Onyenzọpụta ahụ nke o nweghị ike idebezu site n'ọnọdụ adịghịike ya. Jekọb mesịrị ghọ nna nke ebo irinaabụọ nke Israel bụ́ onye esitere na ya mụọ Mesaia mgbe oge zuru.

**Oge Agawo**

Mgbe Jekọb natasịrị ngọzi ahụ, Ịsọ batara náebute nri ụtọ ahụ nke o ji ọñụ dozie n’olileanya nke ngọzi o gaje ịnata site n’aka nna ya. Mgbe ọ hụrụ na Jekọb buru ụzọ nọdụ n’ebe ahụ, na ọ natawo kwa ngọzi nke ọ chere na ọghaghị ịbụ nke ya, ọ kwara ákwá dị ilu. Mgbe o rere ọnọdụ diọkpara ya, o wuteghị ya n’ụzọ ọ bụla, ma mgbe ngọzi ahụ fụnarịrị ya, ọ kwara ákwá. Otú a ka ọ na dịrị ọtụtụ ndị mmehie. Mmehie ha adịghị ewute ha. Ma lee otú ha naeru uju mgbe mmehie ha tinyere ha nánsogbu! Ha adịghị enwe nwute ọ bụla n’ihi na ha mehiere, ma ha naenwe nwute na mmehie ha achọpụtawo ha.

Ná Ndị Hibru 12:17 anyị gụrụ: “Mgbe ọ chọrọ iketa ngọzi ahu mgbe emesiri, ajuru ya (n’ihi na o hugh ọnọdu nke nchèghari), ọ bu ezie na o were anya-miri chọsie ya ike.” Anyị na ahụ́ ihe ịmaàtụ̀ dị icheiche nime Akwụkwọnsọ ebe ụmụmmadụ naemehie megide Chineke ogologo oge, ma ha enweghị ohere nke nchègharị. Dịka ihe iji maaàtụ̀, ndị Ijipt jụrụ ịrapụ ụmụ Israel ka ha pụọ n’obodo ha, ọ bụ ezie na Chineke ziteere ha ahụhụ dị icheiche. N’ikpeazụ, mgbe ha biliri ịpụ, ndị Ijipt chụsoro ha. Ụmụ Israel gabigara Osimiri Uhie n’ụzọ dị ebube. Ndịiro sochiri ha n’azụ; ma mgbe ndị nke Chineke gabigasịrị, mmiri ahụ laghachiri n’ọnọdụ ya wee mee ka ndị Ijipt ahụ niile nwụsịa nime ya. Ha enweghị ohere ichègharị.

Sọl bụrị eze mbụ nke Israel, nwoke nke Chineke rọrọ ịdú ndị Ya. Ná mmalite ọ dị nwayọ náege kwa ntị olu Chineke, ma ka arọ naaga mmehie ya dịrị ukwuu rue na Chineke jụrụ ya ka ọ ghara ịbụ eze (I Sameul 15:23). Sọl kpere ekpere ọtụtụ oge mgbe nke ahụ gasịrị, ma Okwu Chineke ekwughị na ọ dị mgbe o chègharịrị. Náánị inwe nwute n’ihi na ọ banyere ná nsogbu azọpụtaghị ya. N’ikpeazụ, o were aka ya gbue onweya, ya mere anyị matara na ọ baghị n’Eluigwe.

Lee otú ọ gaabụ ihe nwute bụ́ ákwá nke onye mmehie nke náechere ogologo oge tupu o chègharịa: “Owuwe-ihe-ubi agabigawo, nghọkọta mkpụrụ agwusiwo, ma ayi onwe ayi azọpụtagh ayi” (Jeremaia 8:20).

**Mkwa Ahụ Ekwere Ịsọ**

N’obi ilu nke Ịsọ, ọ jụrụ nna ya ma ọ dịghị ngọzi ọzọ fọdụrụ nke gaabụ nke ya. Aisak nyere ya ngọzi nke ihe anaahụ́ anya náadị kwa nwa oge, wee mee ka ọ ghọta na ọ bụ ezie na ọ ghaghị ifè nwanne ya nwoke òfùfè nwa oge, ma emesia agaewezuga yoke ahụ n’olu ya. Oge ahụ bịara mgbe ndị Edom, bụ agbụrụ Ịsọ, biliri megide Juda, ndi sitere n’osuso ọ́mụ́mụ́ Jekọb (2 Ndi Eze 8:20-22).

**AJỤJỤ DỤ ICHEICHE**

1. Òlee nwa nwoke nke Rebeka hụkarịrị n’anya, Jekọb kaọbụ Ịsọ?
2. N’ihi gịnị ka Ịsọ ji ree ọnọdụ diọkpara ya?
3. N’ikpeazụ, Ịsọ ọ̀ kwara ụta n’ihi ime nke a?
4. Gịnị bụ ihe nke a na akụziri anyị?
5. Ònye mere Jekọb ji ghọgbue nna ya?
6. Ugbò ole ka Jekọb gwara nna ya okwu ụgha?